# Akụkọ Ifo Dịka Ugegbe E Ji Ahụta Ndụ Ndị Igbo

**Anyachebelu, Adaọra Lois**
Ngalaba Ọmụmụihe Kelingwistiiks, Afrịka Na Eshịa
Alaka N̄ke Mahadum Legọọsị
Imeelu: dreamerad4@gmail.com

**Ịchafụ**

*Ndị Igbo bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjiria nwere agụmagụ ha nke a na-agụpụta n'ọnụ tupu ọbịbia ndị ọcha. Otu n'ime agụmagụ ọnụ ndị ahụ bụ akụkọ ifo. Ifo bụ akụkọ a rọrọ arọ nke ndị Igbo ji anọrị oge ma na-akpakwa onwe ha obiọma. Nchọpụta na-egosị na ọtụtụ ndị mmadụ na-eche na o nweghizị uru akụkọ ifo bara; karịsịa n'oge ugbu a. Ebumnobi ọrụ nchọcha a bụ inyocha ifo iji mata usoro omenala na usoro ebimndụ ndị Igbo ndị gbara elu n'ifo Igbo na igosịpụta etu ifo si arụ ọrụ dịka enyo e ji ahụta ndụ ndị Igbo. Omenchọcha a nwetere njiede o jiri mee nchọcha a site n'ịgbado ụkwụ n'akụkọ ifo ndị o gerela oge ọ na-etolite, akụkọ ifo ndị o nwetere site n'akwụkwọ nchịkọta akụkọ ifo nakwa ihe ndị ọ maara dịka onye Igbo toro n'ala Igbo. Nchọpụta gosịrị na e wepụ iji akụkọ ifo nọrịa oge ma kpakwaa ndị mmadụ obiọma, na akụkọ ifo bụ otu ụzọ gbara ọkpụrụkpụ ndị Igbo si ezipụta omenala, nkwenye na usoro obibi ndụ ha.* Atụtụ *e ji wee mee ọrụ nyochaa bụ* atụtụ *keenyouche nke gbadoro ụkwụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya dịka o si metụta agụmagụ. Ọrụ nchọcha a nyere ntuziaka ka onye ọbụla gbasie mbọ ike ịhụ na* agụmagụ ọdịnala *akụkọifo anwụghị; kama ka achọpụta ụzọ ndị ga-enyeaka iji hụ na o selitere isi nke ọma n'oge ugbu a.*

**Ọkpụrụkpụ okwu ga:** Akụkọ ifo, ndị Igbo, mbamuru, omenala, ugegbe

## Mkpọlite

Ndị Igbo, nke dị na mpaghara ọwụwaanyanwụ Naịjiria nwere ụzọ ọdịnala dị icheiche ha si akọwapụta onwe ha, azụlite ụmụ ha ma na-akuzikwara ndị na-etolite etolite ihe. Otu n'ime ụzọ dị otu a bu site n'agụmagụ ọnụ ha nke akụkọ ifo so n'otu n'ime ha. Mba dị icheiche na agbụrụ dị icheiche nwegasịrị akụkọ ifo nke ha. Akụkọ ifo nwegasirị aha a na-akpọ ya na mpaghara ala Igbo dịgasị icheiche dịka 'ifo', 'ife', 'iro', 'akụkọufe', 'akụkọufere', akụkọifo', 'inu' na'ihwe. Akụkọ ifo so n'otu nnukwu ngwaọrụ ndi Igbo ji akọwapụta onwe ha, egosipụta omenala ha, egosipụta ahụmiheụwa ha; akuziri ndị na-etolite etolite ihe, anọrị oge ma na-akpakwa onwe ha obi aṅụrị. Akụkọ ifo bụ ụdị akụkọ purụ iche nke na-esite n'otu agbụrụ rue na agbụrụ ọzọ.

Akụkọ ifo bụ enyo e ji ahụta ndụ, emereme, mmekọrịta, adimike, ezughị oke, atụmaanya, olileanya mmadụ, ụjọ n'ihe ndị ọzọ dịka o si metụta ndị bi n'ime ụwa. N'ihi na nnyocha ifo bụ nnyocha ndụ na akparamagwa ndị mmadụ bi n'ụwa. Ọ bụ n'ihi nke a ka akụkọ ifo ji dị oke mkpa na ndụ ndị Igbo; karịsịa n'ebe ịzụlite ụmụaka dị.

## Ntulegharị ọrụ ndị ọzọ rụrụ

E meela nchọcha dịgasị icheiche dịka o si metụta ifo, ọkachasị ifo Igbo. Ọtụtụ ndị ọrụnchọcha agbalisiela ike inye nkọwa akụkọ ifo. Hamilton & Weiss (1990) kọwara akụkọ ifo dịka akụkọ nke a na-ahafe site n'otu agbụrụ ruo na agbụrụ ọzọ; tinyekwara na ọ bụ akụkọ arọrọ arọ nke obodo jikọtara aka ọnụ wee nwere[1]. Ha gakwara n'ihu kọwaa na a na-esite n'akụkọ ifo hụta omenala mba nwe ha.

Ọtụtụ ndị ọrụ nchọcha gụnyere Nwadika[2] na Nnabuihe[3] kwenyere na ifo Igbo bụ akụkọ na-emeghị eme. Ha kwekọtakwara na onweghị onye maara oge ifo malitere maọbụ onye/ndị malitere ya. Ha

[1] M. Hamilton and M. Weiss, *Children Tell Stories* (New York: Richard C. Owen Publishers, Inc.,1990), 39.

[2] Nwadike, I. Uzoma, *Éké na Égwùrùgwù: A book of Aetiological or 'Why' Tales* (Ibadan: Heinemann, 2001).

[3] Nnabuihe, C. B., *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifo Ndị Igbo* (Lagos: Ofona Ogu Projects Africa, 2005).

kwenyekwara n'ifo malitere n'ihi mmasị ndị mmadụ ka ha mee ka ndị ọzọ mata otu ha siri hụta ụwa. Ha kwekọrịtakwara na a na-e sitekwa n'ifo amata ihe ndị merela, tinyekwara ịchọ ka ndị ọzọ keta oke na ahụmihe ụwa ha, ịchọ ịkatọ ajọ agwa na ito eziagwa ma site usoro dịgasị otu a wee mee ka e nwe udo na-ezi mmekọrịta n'etiti ndị mmadụ na ibe ha.

Abịa na njiri mara ifo, Uba-Mgbemena kọwapụtara na njirimara ifo gụnyere ndịa, n'ifo anaghị adị naanị n'ụdị akọmakọ, n'ifo bidoro oge ndị Igbo malitere usoro ebimndụ ha, n'onweghị akụkụ Igbo ọ bụ naanị ha nwe ifo, na-amaghị onye/ndị malitere ifo, na asụsụ ifo, na-adị mfe ma gakwaa siriri werere, tinyekwara na o nwere usoro okwu ndị e ji ebido ma na-emechi ifo[4].

Ụfọdụ ndị ọrụnchọcha gbaliri ikewa akụkọ ifo site n'igbadoụkwụ n'ọrụ ifo na-arụ, isiokwu ndị mejupụtara ifo, agwa ndị nọ n'ifo, ndịna ifo, na emeremere/ebe emere ifo (Egudu[5], Iroaganachi[6], Emenanjo[7], Okpewho[8], Chukwukere[9], Chukwuma[10] na Nwadike[11]). Mana Finnegan kọwara n'ịgbadoụkwụ n'agwa wee mee nkewa ifo adabachaghị n'ihi na enweghi ndịiche pụtara ihe nke ọma n'etiti agwa ndị dịgasị n'ifo[12]. Nnabuihe[13] pụtụrụ iche n'otu o si wee kewaa ifo. O kewara ifo dịka iduu na ifo nkịtị.

Abịa n'ọrụ ifo na-arụ, ọtụtụ ndị odee na ndị ọrụnchọcha akpọrọla aha tinyekwara Okwechime[14], Okoh[15], na Ikeokwu[16] kwenyere n'ọrụ ifo na-arụ na ndụ ndị Igbo gụnyere iji nọrịa oge, iji kụzie ihe, iji zụlite ụmụaka, igosipụta ihe ndị merela eme, gosịkwa ihe ndị na-eme ugbua ma site n'ụzọ dị otu a tụpụta atụmatụ maka ọdịnihu. Anyachebelu n'akụkụ nke ya hụtara ifo dịka ihe jupụtara na mgbaama/ọdịmara (symbol) n'ịgosipụta ụdị ọrụ, nkwenye, mmekọrịta, aha dgz; ndị a na-ahụta na ndụ ndị Igbo. Anyachebelu gbara mbọ wepụta ọdịmara/mgbaama (symbol) ụfọdụ gbaraelu n'ifo Igbo; ndị gụnyere ọdịmara: aha, ọrụ, alụmdi na nwunye, ọchịchị, nkwenye, aha, oge, ọnụọgụgụ, agwa, mmekọrịta na ndị ọzọ[17].

N'ime ọrụ nchọcha ndị a niile e merela, ọ dịghị nke nyochara ọrụ ifo na arụ dịka enyo e ji ahụta ndụ ndị Igbo kpọmkwem. Ọ bụ ya ka ọrụ nchọcha ji dị oke mkpa.

---

[4] Uba-Mgbemena, Asoonye, "The Roles of *Ifo* in the training of the Igbo child" *Journal of the Folklore Society* (1985): 53 – 54

[5] Egudu, R. N., *The Calabash of Wisdom and Other Igbo Stories* (New York: Nok Publishers, 1973).

[6] Iroaganachi, John O. *Ọka Mgba* (London: Longman, 1973).

[7] Emenanjọ, E. Nolue (ed), *Ọmalinze: A book of Igbo folktales* (Ibadan: Oxford University Press, 1977).

[8] Okpewho, I., *African Oral Literature: Backgrounds, Character, and Continuity* (Bloomington: Indiana University Press, 1992).

[9] Chukwukere, N. F., *Igbo Folktales about Women: Features and Ideological Implications* (1993).

[10] Chukwuma, Helen, *Igbo oral literature theory and tradition* (Abak: Belpot, 1974).

[11] Nwadike, *Éké na Égwùrùgwù*

[12] Finnegan, Ruth, *Oral Literature in Africa* (United Kingdom: Open Book Publishers, 2012): 334 – 335.

[13] Nnabuihe, *Nwaada Lọọlọ*

[14] Okwechime, E.O., "Igbo Oral Literature and Globalisation – the Missing Link," *JONLAC: A Journal of Nigerian Languages and Culture.* 6, (2) (2004): 111-117.

[15]Okoh, N., *Preface to oral literature* (Nigeria: Africana First, 2008).

[16] Ikeokwu, E. N., "Functionalism and the Pedagogy of Igbo Folktales" *Journal of Igbo Studies* 2 (2007): 21-26.

[17] Anyachebelu, A. L. "Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. (A PhD Thesis University of Lagos, 2018).

**Atụtụ**

Atụtụ keenyouche "Mirror Image" bụ atụtụ a gbakwasara ụkwụ wee nyochaa ọrụ nchọcha a. Atụtụ kenyouche so n'otu tiori e nwere ike iji nyochaa agụmagụ mba. Isi ahụrụ wee kwaba okpu dịka o si metụta atụtụ keenyouche bụ Louis-de-Bonald (1754 – 1810) okiruro onye French (French philosopher). Ọ kọwapụtara na site n'iwetu anya gụọ agụmagụ agbụrụ ọbụla, mmadụ nwere ike ịkọwapụta ụdị ndụ agbụrụ ahụ biri (Ogunsina[18]). Ngalaba atụtụ kenyouche n'inyocha agụmagụ na mmekọrịta na mmekọrịta mmadụ n'ibe ha n'ime obodo hụtara agụmagụ dịka enyo na-egosipụta otu agbụrụ maọbụ mba nwe ya dị Lowenthal[19]. Atụtụ keenyouche hụtakwara ụdị agụmagụ ọbụla dịka ihe ndị odee kpachapụrụ anya mebe iji wee gosipụta ihe ndị merela/ na-eme n'agbụrụ maọbụ mba ahụ Ogunsina[20].

Atụtụ kenyouche na-enyeaka egosipụta mmekọrịta na-enweghị nkewa nke dị n'etiti ọrụ nka/ekereuche (art) na mba nwe ha. Vastsa kwenyere na ma ihe ọma na ihe amamaka n'ihu agbụrụ ọbụla na-enwe na-agbaelu n'agụmagụ agbụrụ nwe ha[21].

Ọ bụ n'ihi nke a ka ọrụ nchọcha a ji wee họrọ atụtụ kenyouche dịka ihe a ga-agbado ụkwụ na ya wee mee ọrụ nchọcha a. Ọ bụ eziokwu na akụkụ ifo bụ agụmagụ ọdịnala, ma akụkọ ndị mejupụtara ifo ndị Igbo bụ ezigbo enyo, a na-esite na ya hụta ndụ ndị Igbo.

**Usoro Ọrụ nchọcha**

Ọmenchọcha nwetara akụrụ ngwaọrụ o jiri kwara ngwaọrụ n'ifo a kpọrọ 'Nwa a gụtara na mmiri' dị *Nza na Obu*[22]. Ifo a nwekwara ụzọ abụọ ọzọ e si akọ ya. Otu bụ 'Nwunye nke a kpọrọ asị' nke ọzọ bụ 'Omalinze', ifo abụọ ndị dị n'*Ọmalinze*. N'ime ifo atọ ndị a, ọmenchọcha kara gbadoụkwụ n'ifo 'Nwa a gụtara na mmiri'nke sitere n'akwụkwọ akụkọ *Nza na Obu,* ma werezie 'Ọmàlinzè' na 'Nwunye nke a kpọrọ asị' dịka ebe ndabere iji hụ na ọrụnchọcha a nyere ihe a chọrọ. Akụkọ atọ ndị a nwere otu isiokwu, ndịna ha bụkwa otu. Ndịiche pụtara ihe n'ifo atọ ndị a bụ mgbanwe agwa n'ebe ụfọdụ agwa dị n'ifo ahụ dị.

N'aka nke ọzọ, omenchọcha a gbara ụfọdụ ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ ndị Igbo ajụjụ ọnụ iji chọpụta otu ha si wee hụta ifo dịka ihe na-enyeaka egosipụta usoro ebimndụ ndị Igbo. Ụfọdụ akwụkwọ ndị e dere gbasara ifo Igbo nyekwaara Ọmenchọcha aka. Omenchọcha webatakwara amamihe na nghọta ya dịka nwaafọ Igbo a mụrụ, o tokwaa n'ala Igbo. Nihi na o nwere ohere isonye n'ịkọ na n'ịge akụkọ ifo oge ọ na-etolite.

**Nchịkọta "Akụkọ Nwa a Gụtara Na Mmiri"**

*Nwa a gụtara na mmiri* na-akọ maka otu eze lụrụ ndịịnyom asaa ma kpọọ otu n'ime ha asị. Ndịinyom Eze mụụrụ ya naanị ụmụnwaanyị. N'ihi ya, o nweghị nwa nwoke ọbụla nke ga-anọchi ya ma ọ nwụọ. Ihe kpatara na ndịinyom Eze niile enweghị nke mụtaara ya nwa nwoke dịka afa si wee kwue bụ n'ihi na nna eze megburu ọtụtụ ụmụogbenye. Ọgbaafa gwara Eze na ọ bụrụ na ọ chọọ ka ndị nwunye ya mụta nwoke, na ọ ga-eburu ụzọ nyeghachi ụmụ ogbenye dum nna ya kpaakọọrọ ihe ha, ihe ha dum. Eze gbara mbọ mee ihe afa kwuru, n'ihi na ọ chọsịrị nwa nwoke ike.

Eze a mechara gaa na nke onye dibia ka o nyere ya aka ime ka ndi nwunye ya mụta nwoke. Dibịa ahụ nyere ya mkpụrụ akụ asaa ka o nye ndịịnyom ya nke ha ga-eti taa mkpokoro ya ma tufue nke bụ akụ. Ndịịnyom Eze bụ ndị nganga, n'ihi ya ha tiri akụ taa uru ya, ma tufue mkpokoro ya. Otu Odibo Eze hụrụ Mkpọrọmasi n'anya nụkwara ihe Eze kwuru, ma kpokọọrọ mkpokoro akụ ahụ ndị nwunye Eze

[18] Ogunsinà, B. *Sociology of the Yoruba Novel: An Introduction*, (Ilorin: Integrity Publication, 2006), 20.

[19] Lowenthal, L., *Literature and the Image of Man* (Boston: Beacon Press, 1957), 15

[20] Ogunsina, Sociology *of the Yoruba Novel*, 10

[21] Vastsa, S., Literature is the Mirror but Must Be Able to See the Mirrored. *International Journal of English Language, Literature and Humanities* IV (IIII) (2016): 12

[22] Ogbalu, F. Chidozie, *Nza na Obu.* (Onitsha: University Publishing Company, 1973): 69-72.

ndị ọzọ tufuru kpogara Mkpọrọmasị. N'akụkọ dị n'Emenanjo, afa gwara Eze na ọ ga-ebute otu ogbe akwụ ojukwu mmụọ keere ndị inyom ya dum mkpụrụ akwụ niile dị na ya ka ha taa. Ọ gwakwara Eze na o nwere otu mkpụrụ akwụ dị na ya nke ọ ga-abụ nwaanyị ọbụla tara ya, ọ mụtara ya nwata nwoke ọ na-achọsi ike[23]. Oge Eze gbutere akwụ ahụ, o jiri aka ya keere ndịinyom ya mkpụrụ akwụ niile dị na ya, mana o nyeghị Mkpọrọmasị. Ọ dọsịkwara ndịinyo ndị ọzọ aka na ntị ike ka ha ghara inye ya nke ha ketara. Isi nwaanyị were oke ya lakpuru n'ụlọ, ma hụ otu mkpụrụ akwụ ọtị gbara; o were ya tufuo n'ezi, sị na ọ gaghị abara ya uru. Ka ọ na-esi ndị ọzọ n'ite, otu oke ngwere bịara buru mkpụrụ akwụ ahụ o tufuru bugara enyi ya nwaanyị, bụ Mkpọrọmasị bi n'ebe a na-achụpụ aja[24]. Ma n'akụkọ dị n'Ogbalu, ọ bụ otu n'ime ndị ohu Eze hụrụ Mkpọrọmasị n'anya mere ka mkpokoro akụ ahụ rute ya aka. Mgbe oge ọmụmụ nwa ndị nwunye Eze ruru, ndị nwunye Eze isii ọ hụrụ n'anya mụchara nwaanyị nwaanyị, ebe naanị Mkpọrọmasi mụrụ nwoke. Ma o rue mgbe Mkpọrọmasi ga-amụ nwa, ọ bụrụ Anasị jiri ya ime. Anasị Eze a bụ ajọ nwaanyị afọ tara mmiri nke mere na mgbe Mkpọrọmasi mụrụ nwa, ọ tụbara nwa nwoke ọ mụrụ na mmiri, were osisi nkụ kpaa ya sị ya n'aka sị ya na ọ bụ ihe ọ mụrụ [25]

Nwatakịrị nwoke ahụ Mkpọrọmasi mụrụ, nke Anasi Eze tụbara na mmiri hugidere rute ebe otu agadi nwaanyi ji isi ama ụkwa nọ. Agadi nwaanyị ahụ kpọorọ ya laa n'ụlọ ya. Akụkọ ọzọ kwuru na ọ bụ "Otu Diochi huru ya ka o sere n'elu mmiri wee gaa kuputa ya. Mgbe ọ nọ n'elu nkwụ, o lere anya hụ na ọ bụ nwaanyị nke a kpọrọ asị mụrụ nwa ahụ. O wee kuru nwa ahụ laa si mgbe ya zụchara ya ka ọ ga-akọrọ eze ihe mere"[26]. Akụkọ nke ọzọ kọwara na mmiri ruuru ha pụta n'ebe otu agadi nwaanyi na-ama ụkwa n'ikpere mmiri, ebere ya mere ya, o wee gụpụta ha kpọkọrọ ha lawa n'ụlọ ya. N'ụlọ ya, o legidere ha anya wee ruo mgbe ahụ dịkwara nwaanyị ahụ mma nke ọma[27].

O rue otu ụbọchị nkịta Eze kpaara nri rute n'ụlọ ebe nwatakịrị ahụ nọ; nwatakịrị ahụ gụrụ ya uri a:

Nkịta Eze ịchọbwa m o
Nnna m Eze tiri iwu
Nyaa Nyabọ
Amuta nawaanyị tufega
Nyaa Nyabọ
Amuta nwoke kpọbata
Nyaa Nyabọ
Amụta nwoke kpọbata
Nyaa Nyabọ
Anasị Eze onye iwe
Nyaa Nyabọ

Kwa ụbọchị, ọ bụrụ na nkịta Eze gachaa n'ụlọ ebe nwatanwoke Eze nọ, ọ laruo ụlọ, ọ na- amalite pịawa Eze ọdụ ya. Otu ụbọchi Eze kpebiri wee soro nkịta ya wee rute n'ụlọ nwatakịrị ahụ. Agadi nwaanyị ahụ wee kọọrọ Eze ihe niile gbasara nwa ahụ na otu o siri bụrụ nwa Eze. Ọ tụtara Eze aro ka ndị nwunye ya niile sie nri bupụta, onye ọbụla nwatakịrị ahụ riri nri ya, a mara na onye ahụ bụ nne ya. Eze mere ihe Agadi nwaanyị ahụ gwara ya. N'ikpeazụ ọ bụ nri Mkpọrọmasi ka nwatakịrị ahụ riri; na-agbanyeghịrị na ọ bụ oke na ngwere ka Mkpọrọmasị ji wee sie nri nke ya. N'ihi na Eze zụụrụ ndị nwunye ya ndị ọ hụrụ n'anya ihe ha ga-eji sie nri ụtọ ma ọ nweghị nke ọ nyere Mkpọrọmasi. Eze mechazịrị wee buru Mkpọrọmasị saa ya ahụ, zụọrọ ya otu igbe uwe, zụọrọ ya ma ọla-edo, ma ọla-ọcha na ihe ndị niile ọ na-azụghịrị ya na mbụ. Site n'ụbọchị ahụ, Eze akpọbata Mkpọrọmasị n'ụlọ ya, nye ya ihe niile ọ chọrọ. "Ọ kpọbatakwara diochi n'obi eze ka ọ bụrụ otu n'ime ndị ichie ya[28]. O rue oge Eze nwụrụ, nwatakịrị ahụ abụrụ eze n'ọnọdụ nna ya.

---

[23] Emenanjo, *Ọmalinze*, 2
[24] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1-2
[25] Ogbalu, F. Chidozie, *Nza na Obu,* 70.
[26] Emenanjo, *Ọmalinze*, 175-176
[27] Emenanjo, *Ọmalinze*, 177
[28] Emenanjo, *Ọmalinze*, 177

**Ntụcha Data/Ntọsasị**

Akụkọ ifo bụ akụkọ ihe na-emeghị eme nke na-agbakwasa ụkwụ n'ala mmadụ, n'ala mmụọ, na n'ala ụmụanụmanụ. Mmemmadụ jupụta n'ifo, n'ihi na a na-enye osisi, anụọhịa, anụụlọ na ihe okike ndị ọzọ agwa mmadụ. Agwa dị n'ifo bụcha ihe niile dị n'elu ụwa. E ji agwa ndị ahụ ndị dị n'ifo e gosipụta ụdị agwa a na-ahụta na ndụ ndị mmadụ ndị bi n'ime ụwa. Na ntọsasị a, a ga-egosipụta ka ifo Igbo si arụ ọrụ dịka enyo e ji ahụta ndụ ndị Igbo.

**Ifo dịka enyo e ji ahụta ndị Igbo**

Enyo bụ ihe na-egosị otu ihe dị. Ọ bụrụ na mmadụ achọọ ịmata otu ọnye ahụ dị, ọ ga-aga lee onwe ya n'enyo. Ọ bụ otu a ka ifo si wee dị na ndụ ndị Igbo. Ifo bụ ihe dị oke mkpa n'igosipụta otu ndị Igbo dị; otu ha si ahụta ụwa, otu ha si emegasị ihe dị icheiche dịka ekpemekpe, ọchịchị, alụmdi na nwunye, ịgụ aha, mmekọrịta dgz. E ji ya egosịpụta akpamiike odogwu, amamiihe, eziagwa, egwu, ahụmiihe gbasara ụwa, ịkpa ọchị, ito mmadụ, inye Chukwu ugwu na nsọpụrụ nakwa igosipụta ihe kpatara ihe ụfọdụ ji dị etu ha dị, dịka etu ọnwụ siri bịa n'ụwa. Nke a pụtara na mmadụ nwere ike isite n'ifo mata usoro ebimndụ ndị Igbo.

Dịka atụtụ kenonyeuche si wee kwuo, akụkọ ndị a na-agbadokwa ụkwụ n'ihe ndị ndị ọkọọ hụrụ maọbụ ha nụrụ metụtara obodo ha na okiririki ha. E nwereike ịsị na ndị ọkọọ na-akọ maka mpaghara ebe ha si dịka ha si wee hụta ihe ndị merela maọbụ ihe ndị na-eme. N'ihi na ọ bụ n'okiriki mpaghara ebe ndị ọkọọ bi ka ha si enweta ihe ndị na-emejupụta akụkọ ha. Ọ bụ n'ihi ya ka ahụmihe mba na usoro ebimndụ mba ji agbaelu n'akọmakọ ha. O bụ otu ahụ ka ọ dịkwa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ site n'ụzọ dị otu a ka ifo si bụrụ enyo na-esepụta ndụ ndị Igbo ma na-egosipụtakwa ihe ndị nna nna ha weere dịka ihe ọma maọbụ ihe ojọọ. N'ihi nke a e nwereike ịsị n'ifo jupụtara n'ọdịmara/njirirmara (symbol) na-egosipụta ndụ ndị Igbo.

Iji wee gosipụta otu ifo si bụrụ enyo na-ebupụta ndụ ndị Igbo, ọrụnchọcha a gbadoroụkwụ n'ọrụ atọ kachaa gbaaelu ifo na-arụ. Ha bụ ndị a: ndụmọdụ, nkọcha na otito. A ga-elebanyekwa anya n'ọdịmara 'symbols' ndị gbakwaraelu n'ifo eji wee kwara ngwaọrụ n'ọrụ nchọcha a, iji gosipụtagasịa ụzọ ndị ọzọ ifo si arụ ọrụ dịka enyo eji ahụta ndụ ndi Igbo. A ga-enyocha ihe atọ ndị a site n'ịlebanye anya n'otu ha si wee pụta ihe n'ifo a 'Nwa a gụtara na mmiri', ma rụtụkwa aka na 'Ọmàlinzè' na 'Nwunye nke a kpọrọ asị' n'ebe ọ dị mkpa. Nke mbụ a ga-elebenyaanya bụ ndụmọdụ.

**Ndụmọdụ**

E ji ifo akụziri ụmụaka ihe dị icheiche dịka igosị nsọpụrụ, irube isi, inwe obi ebere, ikwu eziokwu, ịsọpụrụ nsọala, ibelata oke ọchịchọ, nganga, ekworo, nnupụ isi, dgz. N'ime ụfọdụ ifo, a na-ahụta mmegbu, ịta ahụhụ, ịkpọasị, obi ọjọọ, nnupụ isi, dgz. Ọ bụrụ na egosịpụta ihe ndị a n'ifo, n'ikpeazụ a ga-enweta ihe nlekwasị anya nke bụ iwepụta uru ifo ahụ bara. Ọ bụrụ na eleanya n'ifo e ji wee mee nchọcha a, Eze kpọrọ otu nwunye ya asị na-enweghị ihe ọjọọ ọbụla o mere ya. Asị di ya kpọrọ ya enweghị ihe aga eji wee tụnyere ya. Ọ bụ n'ihi asị di ya kpọrọ ya mere na ọ zụtara ndị ọzọ ihe, ọ gaghị enye ya. Eze amaghị ma ọ dị ndụ ma ọ nwụrụ anwụ. Ihe oriri ya bụ ihe ekpofuru n'ikpo ntụ ya bụ nri gbara ụka na ahịhịa ji. Ndụ nwaanyị a dị, ọ kaara ya mma na ọ nwụrụ anwụ karịa ihusi anya niile ọ na-ahusi[29]. Ọ rụpụụrụ ya ụlọ n'ebe a na-achụpụ aja dị n'ezi ama ya[30]. Mkpọrọmasị, na-agbanyeghị ụdị asi di ya kpọrọ ya oge niile ahụ ọ lụtara ya n'ụlọ ahụ, e nweghị onye ọ kpalịrị, ọ lụghị ọgụ maọbụ tụọ atụmatụ ịgbapụ ọsọ pụọ n'ụlọ ahụ. Ọ dịghịkwa oge o nupuuru di ya maọbụ onye ọbụla isi; rukwue oge ọ mụrụ nwa nwoke nke Anasị napụrụ ya nye ya osisi. Nke a gosiri na ọ bụ nwaanyị nwere ezi nzulite site n'ezinaụlọ a mụrụ ya. A zụpụtara ya nkeọma malite na nwata n'ihi na ndi Igbo kwenyere na a naghị amụ aka ekpe na nka. Nke a bụ nnukwu ndụmọdụ nye onye ọbụla, na-ekwesịrị izulite ụmụaka nke ọma, ka ọ ga-abụ ha tolite, ha agaghị esi n'ime nkuzi ha natara dapụ.

---

[29] Ogbalu, *Nza na Obu*, 71

[30] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1

N'otu aka ahụkwa, Mkpọrọmasị mechazịrị bụrụ ya na-ekwu ihe na-eme na be Eze, "site n'ubọchị ahụ, o bụzị ya na-ekwu ihe na-eme n'ezi na ụlọ Eze, ndị ọzọ na-eso ya n'azụ[31]". Ndi nwunye di ya jibu ya mere ihe ọchị bụ ndị na-akparịkwa ya wee bụrụzịa ndị nọ n'okpuru ya, na-anarazị ntuziaka na ndụmọdụ site n'aka ya.

N'ime mmekpa ahụ niile ndị a Mkpọrọmasị gabigara, o bụ naanị Ngwere bụ enyi na enyemaka ọ nwetara. Di ya azọpụtaghị ya, obụladị ndị obodo n'onwe ha e nweghị nke nyere ya aka. Mgbe ọ dị ka ahụhụ ọ na- akwado iri isi ya Chinke sitere n'aka onye a na-amaghi hụ na ọ nwụghị n'ezi omume ya nke ga-eme ka a ga-asị na ọ bụ ajọ ihe mmadụ ime ezi ihe. Ndị odibo eze, enweghị nke meere ya ebere. Ọ bụ naanị anụmanụ bụ onye meere ya ebere (hand of providence). Oge ụfọdụ, enyemaka na-abịa site n'ebe mmadụ na-atụghị anya; nke a bụ aka Chukwu. N'ebe e nyeere ndị nwunye eze niile ndị ọ hụrụ n'anya mkpụrụakụ ka ha taa, isi nwaanyị tufuru nke gbara ọtị. Ọ bụkwanụ nke ahụ gbara ọtị ọ tụfuru atufu bụzị nke Chukwu jiri kwara ngwaọrụ ime ka Mkpọrọmasị dị ime. Mgbe ndị mmadụ na-achọ iwepụ onye ọzọ n'ọnọdụ ruuru onye ahụ, Ekekereụwa na-ebilite mee ihe o jiri wee bụrụ Chi. N'ihi n'ọdịnachi nwere ka o si arụ ọrụ na ndụ ndị mmadụ iwebata mmadụ, mgbe ndị ọzọ gụpụrụ/jụrụ onye ahụ. Chineke nwere ka o si arụ ọrụ ime ka ihe a napụrụ mmadụ rute onya ahụ aka. N'ebe a ọ bụ Mkpọrọmasị, onye ajụrụ ajụ mecahazịrị soro n'ọnụ na-ekwu. Ifo a bụ ezigbo ọmụmaatụ nkwenye na ọnweghị ihe karịrị Chukwu n'omume na ọ nweghị ihe Chukwu tụrụ aghaghị ime. Tinyekwara nkwenye na ụwa na-eme ntụgharị. N'ihi na ọ bụghị onye ọ dịrị mma tata, ka o nwereike ịdịrị echi. N'ihi ya mmadụ ọbụla ekwesịghị igbu onwe ya n'ihi ọnodụ adichaghị mma onye ahụ hụtara onwe ya n'ime ya. Mmadụ ekwesịkwaghị iji ụwa eme ọnụ maka na o nweghị onye ma echi. Ọ bụ onye ndidi na-eri azụ ukpoo; otee aka ọ dị njọọ, ọ dị mma.

**Akụkọ Ifo Dịka Ihe E Ji 'Akọcha Agwa Ọjọọ Dị Iche Iche**

Ifo bụ otu ụzọ ndị Igbo si akatọ agwa ọjọọ. Ndị Igbo kwenyere na mmebọ e mebọrọ nwaamadị n'ọhaizugbe ka ogbugbu e gburu ya n'ọhaizugbe. N'ifo e ji wee mee ọru nchọcha a, n'akụkọ nke dị n'Emenanjo (1977), ihe kpatara na nwunye Eze niile enweghị nke mụtaara ya nwa nwoke bụ n'ihi na "nna ya mefuru ọtụtụ ụmụ ogbenye kpakọrọkwa ala ha dum. Ọ gwara ya na ọ na-achọsi nwa nwoke ike, na ọ ga-eburu ụzọ nyeghachi ụmụ ogbenye dum nna ya kpakọọrọ ihe ha, ihe ha dum[32]". N'aka nke ọzọkwa, ndị nwunye Eze ndị ọ hụrụ n'anya amụtaghi nwoke oge Eze mechara ihe afa gwara ya mee n'ihi mpako na nganga. Dịka akụkọ dị n'Ogbalu si wee kwue "Ma ndị nwunye Eze bụ ndị nganga. Ha ahụghị otu mmadụ ga-esi taa mkpokoro akụ, hapụ nke bụ uru ya. Ya mere, ha tie akụ ha taa uru ya, tufue mkpokoro ya sịrị ha taa[33]".

Ndị nkọcha diịri bụ nna Eze. "Nna ya mefuru ọtụtụ ụmụ ogbenye kpakọrọkwa ala ha dum"[34]. Ọ bụ nna Eze bụ isi sekpụ ntị butere nsogbu amụghị nwa n'ezinaụlọ nwa ya n'ihi ajọ agwa ọ kpasoro ndị ogbenye.

Eze, onye kpọrọ nwunye ya asị na-enweghị ihe ọjọọ ọ bụla ọ mere ya nwetakwara nkọcha nke ya. "Asị Eze kpọrọ nwuye ya enweghị atụ, nke na mgbe o gbutere akwụ ahụ, o jiri aka ya keere ndịinyom ya mkpụrụ akwụ niile dị na ya, mana o nyeghị nke ahụ ọ kpọrọ asị. Ọ sịrị na ọ ga-abụ ihe arụ ma nwaanyị ya kpọrọ asị mụtara ya ọkpara. Ọ dọsịkwara ndịinyom ọzọ aka na ntị ike ka ha ghara inye ya nke ha ketara"[35].

Ndịịnyom Eze n'akụkụ nke ha kpara agwa ọjọọ, n'ịkpọ nwunye di ha asị n'efu tinyekwara ibi ndụ nganga na nnupu isi ha. Akụkọ ifo a kọwara na Ndịịnyom Eze bụ ndị nganga, n'ihi ya ha tiri akụ, taa uru ya, ma tufuo mkpokoro ya[36]. Akụkọ nke dị n'Emenanjo (1977) kọrọ na mgbe isi nwaanyị weere oke ya lakpuruo n'ụlọ, ọ hụrụ otu mkpụrụ akwụ ọtị gbara. O wee were ya tufuo n'ezi, sị na ọ gaghị

[31] Emenanjo, *Ọmalinze*, 4
[32] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1
[33] Ogbalu, *Nza na Obu* 70
[34] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1
[35] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1
[36] Ogbalu, *Nza na Obu,* 70

abara ya uru. Ka ọ na-esi ndị ọzọ n'ite, ọ maghị mgbe oke ngwere nọ n'elu aja weere ọsọ rịdata buru mkpụrụ akwụ ahụ o tufuru bugara enyi ya nwaanyị. O wee were ya tufuo n'ezi, sị na ọ gaghị abara ya uru[37].

Anasi bụ isi nwaanyị Eze, onye kwesịrị ka ọ na-agbaziri ndị ọzọ bụzi ya bụ onye nara Mkpọrọmasị nwa nwoke ahụ ọ mụrụ tụbanye n'ime mmiri. "Ma o rue mgbe Mkpọrọmasi ga-amụ nwa, ọ bụrụ Anasị ga-eji ya ime. Anasị Eze a bụ ajọ nwaanyị afọ tara mmiri nke mere na mgbe nwaanyị a mụrụ nwa, ọ tụbaa ya na mmiri, were isisi nkụ kpaa ya sị ya n'aka sị ya na ọ bụ ihe ọ mụrụ"[38].

Ụdị akụkọ a bụ iji wee katọọ agwa ọjọọ dịka imegbu ogbenye, ịnapụ ndị mmadụ ihe ha n'ike, tinyekwara nganga/mpako. N'ihi na ụdị agwa ndị dị otu a bụcha agwa ndị Igbo na-asọ nsọ.

**Otito**

Ndị Igbo bụ ndị ma ka e si enye mmadụ maọbụ ihe ndị ọzọ otito maka ike ha kpara maọbụ ihe ọma onye/maọbụ ndị/ihe mere. N'ihi na e too dike na nke o mere, o mee ọzọ. Ọ bụ n'ihi ya ka Igbo ji asị na-e too onye akịdị ọ gwọta ọzọ. Ihe kpatara ndị Igbo ji enye mmadụ otito maka ihe ọma onye ahụ mere bụ iji wee gosi onye ahụ n'ihe omere dị mma. N'ihi ya, ka onye ahụ mere gaba n'ihu; tinyekwara iji mee ka ndị nọ n'akụkụ ṅomie ụdị akparamagwa dị otu ahụ. Nke a ga-eme ka onye ọbụla na-agbalisike ime ihe ọma iji wee nweta otito.

Otito gbara elu n'ifo a nke ukwu. Ndị otito dịrị n'ifo a bụ Diochi na agadi nwaanyi ji isi ama ụkwa. N'ihi na ọ bụ ha gbara mbọ ịhụ na o nweghi ihe ọjọọ mere Mkpọrọmasị na nwata nwoke Eze wee rue oge Eze matara na ya nwere nwa nwoke. N'ihi ezi agwa Diochi, Eze mechara kpọbata "Diochi n'obi Eze ka ọ bụrụ otu n'ime ndị ichie ya[39]". Ndi ọzọ otito dikwara bu Mkporomasi, onye na-agbanyeghị mkaplị niile ọ natara na akpọmasi niile a kpọrọ ya, tachitere obi ya wee ruo mgbe ọnọdụ gbanwere ya.

Otito dịkwara otu Odibo Ezekwa onye nụtara ihe Eze gwara nwunye ya ndị ọzọ, ma wee kpokọọrọ mkpokoro akụ ahụ ndị nwunye Eze ndị ọzọ tufuru kponye Mkpọrọmasị. Otito dịkwara Ngwere maka ị gbatara onye na-enweghị enyemaka, Mkpọrọmasị ọsọ enyemaka. Otito dịkwara Nkịta ahụ mere ka eziokwu pụta ihe.

**Ọdịmara (Symbols)**

Ọdịmara bụ ihe e ji anọchite anya ihe ọzọ iji wee mee ka nghọta pụta ihe nkeọma. Otụtụ ọdịmara gbara elu n'ifo e ji wee mee ọrụnchọchaa. Ha gụnyere:

**i. Ọmụgwọ**

Ndị Igbo na-eme nwaanyị mụchara nwa ọmụgwọ. Ọ bụ Diochi n'akụkọ nke dị n'Emenanjo[40] nakwa Agadi nwaanyị ahụ ji isi na-ama ụkwa n'ikpere mmiri, (nke gụpụtara Mkpọrọmasị na nwa nwoke ọ mụrụ wee kpọọrọ ha laa n'ụlọ ya) nọchitere anya ọ mụgwọ. Dịka akụkọ ahụ si wee kọọ "o legidere ha anya wee ruo mgbe ahụ dịkwara nwaanyị ahụ mma nke ọma"[41]. Akparamagwa ndị dị otu ahụ nọchitere anya ọmụgwọ.

**ii. Eziokwu**

Nwata nwoke ahụ nke Mkpọrọmasị mụrụ, e ji anyaukwu na ịkpọasị wee tụnye na mmiri, kama imikpu n'ime mmiri ka mmiri gbagbue ya, hugidere rue ebe otu agadi nwaanyị ji isi ama ụkwa nọ, onye kpọọrọ ya wee laa n'ụlọ ya. Ọsịse nwata ahụ sere na mmiri bụ ọdịmara iji gosi na etigbucha eziokwu, emechaa, o selite isi; na eme elu mee ala, o nweghị onye pụrụ ịgbachiri onye chi ya agbachighiri.

iii. **Udo na ikpe ziri ezi** 'instrument of justice'

Ndị Igbo kwenyere n'ikpe nkwụmọtọ na ikpe ziri ezi nke ọ bụ ọfọ na ọgu na-anọchite anya ha na ndụ ọdịnana ndị Igbo. Agwa Nkịta Eze, Diochi na agadi nwaanyị ndị gbara mbọ ịhụ na nwata nwoke ahụ

---

37 Emenanjo, *Ọmalinze*, 1-2
38 Ogbalu, *Nza na Obu,* 70
39 Emenanjo, *Ọmalinze*, 176
40 Emenanjo, *Ọmalinze*, 176
41 Emenanjo, *Ọmalinze*, 173

Mkpọrọmasị mụrụ dị ndụ nọchitereanya ikpe ziri ezi. Ọ bụ site na akparamagwa ha ka Eze si mata na o nwere nwa nwoke a mụtara ya, tinyekwara ime ka Eze mata onye bụ nne nwata ahụ kpọmkwem. Nke bụ ihe mepere uzọ ka Mkpọrọmasị nweta onọdụ ruru ya na be di ya. Ngwere kwa n'akụkụ nke ya bụ nnukwu ngwaọrụ ime ka Mkpọrọmasị nweta ikpe ziri ezi. N'ihi n'oge isi nwaanyị Eze tufuru oke nke mkpụrụakwụ nke ya n'ihi na ọ gbara ọtị, o bụ ngwere bugara ya Mkpọrọmasị bi n'ebe a na-achụpụ aja[42]. O bụ ihe a ngwere mere kpatara ka Mkpọrọmasị ji keta oke isoro ndị nwunye di ya taa akwụ ojukwu mmụọ ahụ enyere ndị nwunye ndị ọzọ ma enyeghị ya.

**iv. Mmegbu, obi ọjọọ na anyaukwu**

Agwa ndị a, ndịinyom Eze, Ohu/odibo Eze, Anasị Ezebụ gosipụtara akparamagwa ọjọọ nọchitere mmegbu, obi ọjọọ na anyaukwu nke a na-ahụta n'ndụ ụfọdụ mmadụ bi n'ụwa. Ọmụmaatụ, Ohu Eze, bụ ya kwabara Mkpọrọmasị na na nwa o mụrụ n'ime mmiri[43], "… ma odibo Eze, nke na-elekọta ịmụ nwa anya, sịrị na a ga-atụnye nwa ahụ na mmiri. O were nwa nwoke ahụ tụnye na mmiri"[44]. Ndịinyom Eze, n'akụkụ nke ha enweghị onye n'ime ha kpasoro Mkpọrọmasị agwa ọma maọbụkwanụ nwee obi ebere n'ahụ ya, dịka nwunye di ha. Kama nke ahụ, Anasi Eze bụ isi nwaanyị Eze bụrị onye tụbara nwata nwoke ahụ n'ime mmiri ma were osisi nye Mkpọrọmasị n'ọnọdụ nwa o mụrụ. Eze n'onwe ya kwa onye kpọrọ nwunye asị ya na-nweghị ihe ọjọọ ọbụla ọ mere ya nakwa nna Eze, onye nakọọrọ ụmụọgbenye ihe ha. Ndi Igbo na-ekwu okwu sị na "ihe ọjọọ gbaa afọ, ọ dịrị onye mere ya". N'ihi nke a ka ka Eze ji wee taa ahụhụ ihe ọjọọ nna ya metara nke bụ na Eze amụtaghị nwa nwoke tutu rue mgbe o nyeghachisiri ụmụọgbenye ihe nna ya na-akọrọ ha.

**Ọdịmara ndị ọzọ gbara elu n'akụkọ a gụnyere ndị a:**

**Osisi** ahụ Anasi Eze nyere Mkpọrọmasị nọchitere anya mgbanwe o rubere mmadụ 'exchange of destiny or a person's entitlement'.

**Ụsọ mmiri** nọchitere anya ụlọọgwụ, ebe a na-amụ nwa.

**Odibo Eze**, nke na-elekọta imụ nwa anya nọchitereanya ndị na-ana nwa (mid wives).

**Mpụrụakwụ**[45] / **mkpokoro akụ**[46] na **mkpụrụ akwụ ojukwu mmụọ**[47] na-egosipụta ọgwụ ọdịnala

[42] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1-2
[43] Emenanjo *Omalinze*, 2
[44] Emenanjo, *Ọmalinze*, 175
[45] Emenanjo, *Ọmalinze*, 175
[46] Ogbalu, *Nza na Obu,* 70
[47] Emenanjo, *Ọmalinze*, 1

## Edensibịa

Anyachebelu, A. L. (2018). "Social Symbolism in Selected Texts on Igbo Animal Folktales in Nigeria. A PhD Thesis, University of Lagos.
Chukwukere, N. F. (1993). Igbo Folktales about Women: Features and Ideological Implications. PhD Thesis, University of Nigeria, Nsukka.
Chukwuma, H. (1974). *Igbo oral literature theory and tradition.* Abak: Belpot.
Egudu, R. N. (1973). *The Calabash of Wisdom and Other Igbo Stories*. New York: Nok Publishers.
Emenanjọ, E. N. (ed) (1977). *Ọmalinze: A book of Igbo folktales.* Ibadan: Oxford University Press.
Finnegan, R. (2012). *Oral Literature in Africa*. United Kingdom: Open Book Publishers.
Hamilton, M. & Weiss, M. (1990). Children Tell Stories. New York: Richard C. Owen Publishers, Inc.
Ikeokwu, E. N. (2007). "Functionalism and the Pedagogy of Igbo Folktales" in Journal of Igbo Studies, Vol. 2. 21-26.
Iroaganachi, J. O. (1973). *Ọka Mgba*. London: Longman.
Iwe, A. (1963). *Akụkọ IfoUfọdụ KwesịrịKaỤmụmmadụ Mara.* Lagos: Academy.
Lowenthal, L. (1957). Literature and the Image of Man. Boston: Beacon Press.

N'ihe ndi nwereike inyere onye na-achọ nwa aka ịmụta nwa 'fertility drug'.

**Ihe Ndịọzọ Gbakwara Elu**

**Nri ndi igbo**

Ndị Igbo nwere ụdị nri dịgasi icheiche e ji mara ha. Ufọdụ n'ime ha gbara elu n'ifo a bụ nkwụ, ụkwa na akwụ.

**Ekike**

Ekike ndị Igbo gbara elu bụ ọla ọcha na ọla edo.

**Ọrụ ndị Igbo**

Ọtụtụ ọrụaka ndị Igbo gbakwaraelu n'ifo e ji mee nchọcha a. Ha gụnyere ndị a: Diochi, dibịa (ọgwụ na afa), Odibo eze (n'ihi na azụcha mmadụ n'ọrụ/ahịa, ọ mụtachaa, ọ gaa mepee nke ya), ịkpa anụ ụlọ dịka nkịta na ịzuahia dgz.

**Nchịkọta**

Ọrụnchọcha a lebara anya n'otu ifo si arụ orụ dịka enyo esi na ya ahụta ndụ ndị Igbo. Ọrụnchọcha a kọwapụtara n'Ifo bụ enyo e ji ahụta atụmanya, ụjọ, nkwenye, omenala. Ifo na-enyekwa aka ime ka ahụmihe ndị igbo gbara elu; tinyekwara igosipụta usoro ndị igbo si ahụta ihe ọbụla n'ụwa.

A na-esite n'ifo Igbo nwee mmụta na nghọta pụrụ iche dịka o si metụta ndụ ndị Igbo n'ozuzu oke, dịka o si gbaaelu n'ọrụnchọcha a. Nke mbụ bụ ịkọcha agwa ọjọo. A na-esite n'ifo akato agwa ọjọo. Nke a na-enyere ụmụaka aka ịmụta ụdị agwa a tụrụanya n'aka ha, ma gbara ajọ agwa ọsọ. Nke ọzọ bụ inye mmadụ maọbụ ihe nkịtị otuto ebe nke ikpeazụ bụ inye ndụmọdụ. Ifo ndi a jupụtakwara n'ọdịmara (symbol). A na-e sitekwa na ha hụtakwa ọtụtụ ihe ndị metụtara ndị Igbo, dịka nkwenye n'arụsị, n'afa, n'ọgwụ na Chukwu, mmekọrịta mmadụ, ekpemekpe, ọchịchị, ụdị nri, ekike dgz. Ọmụmatụ, Oke nsogbu na-agbakarịa elu n'ifo dịka ụkọ nri maọbụ ụganị, mmegbu na aghụghọ na-egosipụta na ndị Igbo na-enwe ụkọ ihe, ụkọ mmadụ, ụkọ ala, tinyekwara mmegbu na aghụghọ, nke na-eweta nsogbu.

E ji ifo akụziri ụmụaka ihe dị icheiche dịka eziomume, omenala, na nkwenye ndị Igbo dị icheiche. Nke a na-enye aka eme ka ụmụaka site na nwata mụta ihe ndị dị mma na nke dị njọ nakwa etu ndị mụrụ ha si na-elegara ụwa anya. Ọ na-enyekwara ụmụaka aka ịmụta eziihe nakwa ịgbaso eziomume, ka ha were bie ezi ndụ tosịrị ndị ga-abụ ndị nne na nna, ndị isi ezinaụlọ nakwa ndị ndu obodo. Ọrụnchọcha a kwenyesiri ike na ifo bụ ihe dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo. N'ihi ya ka o ji dị mkpa onye ọ bụla inyeaka ịhụ n'omenala akụkọ ifo anwụghị.


Nnabuihe, C. B. (2005). *Nwaada Lọọlọ: Akwụkwọ Akụkọ Ifo Ndị Igbo.* Lagos: Ofo na Ogu Projects Africa.

Nwadike, I.U. (2001). *Éké na Égwùrùgwù: A book of Aetiological or 'Why' Tales.* Ibadan: Heinemann.

Nwaozuzu, G. I. (1985). "Child Image in Igbo Folktales". M. A. Project Report, Linguistics, University of Nigeria, Nsukka.

Ogbalu, F. Chidozie, (1973). *Nza na Obu.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogunsinà, B. (2006). Sociology of the Yoruba Novel: An Introduction. Ilorin: Integrity Publication.

Okoh, N. (2008). *Preface to oral literature.* Nigeria: Africana First.

Okpewho, I. (1992). *African Oral Literature: Backgrounds, Character, and Continuity.* Bloomington: Indiana University Press.

Okwechime, E.O. (2004). Igbo Oral Literature and Globalisation: the Missing Link. *JONLAC: A Journal of Nigerian Languages and Culture.* 6, (2), 111-117.

Uba-Mgbemena, Asoonye, "The Roles of *Ifo* in the training of the Igbo child" *Journal of the Folklore Society* (1985): 53 – 54

Vastsa, S. (2016). Literature is the Mirror but Must Be Able to See the Mirrored. *International Journal of English Language, Literature and Humanities*. IV, (IIII), 20-45.